Ngwaa Dị Ka Eriri Ji Obele N'asụsụ Igbo Nke

Comfort Nwuka Ezebuilo Ph.D
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka,
Email: comfort.ezebuilo@ unn.edu.ng. GSM: 08062710168,

Elom Ejikeme Akpenyi
Department of Linguistics and Nigerian Languages,
Alex Ekwueme Federal University, Ndufu Alike Ikwo, Nigeria.
Email: elomejikemeakpenyi@gmail.com. GSM: 08088019674
&
Chinwe Nwaudu Udechukwu
Humanities Unit, School of General Studies,
UNEC & Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka.
email: chinwe.udechukwu@unn.edu.ng. GSM: 08034927992.

Ụmị Edemede

Nchọcha na-eleba anya na ngwaa dị ka eriri ji obele n'asụsụ Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ inyocha ngwaa dị ka eriri ji obele n' asụsụ Igbo iji chọpụta ọnọdụ, ọdịdị na ọrụ ha na-arụ n'asụsụ Igbo. Ọrụ nchọcha a gbasoro atụtụ ọmụ nghọta okwu, kama e ji usoro nkọwa iji hụ na akọwapụ tagasịrị ọrụ ndị ahụ ngwaa na-arụgasị n'asụsụ Igbo nke na-egosi na-egosi n' egosi n' ezie na ngwaa bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'asụsu Igbo, ma n' ọsụsụ nakwa n'odide ya. A gara n'ihu depụta ọrụ dị iche iche ngwaa na-arụ n'asụsụ Igbo ma nyegasịa ihe ọmụmaatụ ha. E nwetara njiatụle e jiri rụọ ọrụ site na mmụta na ọsụsụ ndị nchọcha nwere n'asụsụ Igbo n'ihi na Igbo bụ asụsụ Epum ha. Nchọpụta ọrụ nchọcha a na-egosi na okwu e kwuru na-enweghị ngwaa na-agbaka ntị, ma bụrụkwa okwu na-asọ ìsì n'ihe na ọ maghị ihe ọ na-ekwu. Ọzọ, nchọpụta ọrụ nchọcha a na-egosikwa na e nwere ike ísì na ngwaa mepụta okwu tinyere nkejiasụsụ ndị ọzọ mana e nweghi nkejiasụsụ e si na ya emepụta ngwaa.

Mkpọlite

Mkpụrụokwu na-arụ ọrụ dị mkpa n'imepụta ahịrịokwu. Asụsụ ọbụla nwere ọtụtụ mkpụrụokwu e ji asụ ma na- ede ya. Ya bụ na mkpụrụokwu ọbụla dị n'asụsụ nwere ka ọ si arụ ọrụ n'asụsụ ahụ. Ọrụ ndị a mkpụrụokwu na-arugasị bụ ihe butere aha a na-akpọgasị ha n'ahịrịokwu. Aha a dị iche iche a na-akpọgasị ha bụ ihe akpọrọ nkejiasụsụ. Mkpụrụokwu niile ndị na-arụ otu ụdị ọrụ n'ahịrịokwu ka a na-asị na ha dị n'otu otu maọbụ n'otu ụdị nkejiasụsụ.

Asụsụ ọbụla nwere nkeji. Ọ bụ nkeji a na-egosi ma na-akọwakwa ọrụ mkpụrụokwu ọbụla na-arụ n'asụsụ ọbụla. Dịka asụsụ mba ndị ọzọ, asụsụ Igbo nwekwara nkeji nke ya. Nkejiasụsụ bụ mpaghara ụtọasụsụ Igbo nke na-ekeji mkpụrụokwu Igbo dị iche iche dị ka ọrụ, ụda, nghota na ọnọdụ ha siri dị n'ahịrịokwu ebe ha nọ. Nkejiasụsụ bụ otu ụzọ e ji egosi ọrụ mkpụrụokwu ọbụla na-aru n'ahịrịokwu ebe ha nọ. Asụsụ Igbo nwere ụdị nkejiasụsụ dị iche iche nke gụnyere; mkpọaha, nkọwaaha, ngwaa, njiko, mbuụzọ, na nkwuwa, mana ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na ngwaa. Ngwaa bụ mkpụrụokwu na-adị n'ime ahịrịokwu nke na-eme ka o nwere nghọta maọbụ echiche zuru oke. Ọ bụ mkpụrụokwu nke na-agwa mmadụ ihe e kwuru maọbụ ihe e mere n'ahịriokwu. Ọ bụrụ na ngwaa adịghị n'ahịrịokwu, ahịrịokwu ahụ agaghị enwe nghota. N' ihi ya, e nwere ike ịkọwa ngwaa dị ka nkejiasụsụ ahụ nke na-akapị ahịrịokwu ọnụ, tinye ya nghọta, mee ka o doo onye a na-agwa anya. Ya bụ, ngwaa bụ isi a hụrụ kwawa okpu n'ahịrịokwu ma ọ bụ ogwe na-ejide okwu/ahịrịokwu. Ya bụ, ọ bụ ngwaa na-akọwapụta kpọmkwem ihe onye na-ekwu okwu bu n'uche. Ọzọkwa, ngwaa na-akọwapụta ihe dị adị, ihe mere eme ihe na-akwado ime, ihe na-eme, ihe ga-eme, maọbu ntụgharị ihe ndị a. Ngwaa na-arụtukwa aka ma ọ dị ma ọ bụ na ọ dịghị, ya na ma e mere ma ọ bụ na e meghi. N'ihi nke a, ngwaa bara nnukwu uru n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ ya na-eme ka okwu ma ọ bụ ahịrịokwu e kwuru, a sụrụ ma ọ bụ e dere n'asụsụ Igbo nwee nghọta. Okwu e kwuru na-enweghi ngwaa na-agbaka ntị. Ọ naghị adị mma ọnụnụ, ma bụrụkwa okwu na-asọ ìsì n'ihi na ọ maghị ihe ọ na-ekwu maka ya. Etu ọ dị, e nwere ike ịsị na ahịrịokwu ọbụla na-enweghị ngwaa dị ka oti ọkpọ na-aga asọmpi na-ejighị ahụike n'ihi na ọ dịghị ihe ọ ga-eme. N' ọrụ nchọcha a, agaghị elebanye any ana nsinangwaa dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo.

Ọnụọgụ ndị na- asụ Igbo dị ka Ugwuona (2013) kọwara bụ ihe dị ka nde mmadụ iri atọ. Nwada Williamson kọwara n'akwụkwọ Bendor-Samuel chikọtara n'afọ 1989, na asụsụ Igbo si n'ezinụlọ (agbụrụ/alaka) Benue Congo nke ọhụrụ (New Benue Congo) site na ndepụta Greenberg (1965). Na nkọwa Ikekeonwu (1987). Igbo so n'ezinụlọ (n'agburu) 'Kwa', nke bụ alaka asụsụ Niger-Congo. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị dị iche iche.

Ọmụmụ ngwaa dị ezigbo mkpa n' ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a bụ maka ọnọdụ nakwa ọru ngwaa na-arụ na ya bụ asụsụ buru nnukwu ibu. Ya mere e ji asị na asụsụ Igbo bụ asụsụ ngwaa. Nke a bụ maka na e si na ngwaa enweta okwu ọhụrụ dị iche iche n'asusụ Igbo. Mbah na Mbah (2014) kwadoro nke a mgbe ha kwuru na Igbo bụ asụsụ ngwaa n'ihi na ngwaa nọ n'isi njirimebe ya bụ asụsụ. E nwere ike isi na ya mepụta okwu tinyere na nkejiasụsụ ndị ọzọ, mana e nweghị nkeji asụsụ e si na ya emepụta ngwaa. E nwere ike ime nkenụụdị ngwaa Igbo site n'ilekwasị anya n'ọtụtụ ihe ndị dị ka, nghọtachi, ọdịdị na akparamagwa. E lebaa any ana nghọtachi ngwaa, a ga enwe ngwaa emereme na ma ọ bụ omume na statiivu. Ngwaa emereme na-eziputa omume na ihe a na-eme eme dị ka:-ri,-kwu,-ga, - ma, -rụ, dgz. Ngwaa ndị dị n'aka nke ọzọ na-ezipụta ọdịdị ihe, agwara, adịmadị, ọnọdụ echiche nkọwa aha, dgz. Dị ka Emenanjọ (1987) siri nye nkọwa maka ngwaa ndị a, ọ hụrụ ha ka ngwaa ndị e ji ezipụta mpụtara na echiche ọdịdị, ụfọdụ na adịmadị ihe, dgz. Ngwaa ndị dị n'aka nke ọzọ na-ezipụta ọdịdị ihe, agwara, adịmadị, ọnọdụ echiche nkọwa aha, dgz. Dị ka Emenanjọ (1987) siri nye nkọwa maka ngwaa ndị a, ọ hụrụ ha ka ngwaa ndị e ji ezipụta mpụtara na echiche ọdịdị, ụfọdụ na adịmadị ihe, dgz. Ngwaa ndị so n'otu ngwaa ndị a na-abụ ogwe ngwaa mfe. Ụdị ngwaa ndị a anaghị achọ mgbakwụnye ma ọ bụ enyemaka ka nghọta ha wee zuo oke. Ha na-enwe ọdịdị nke mgbochiume na ụdaume na nwube ha (CV structure) dị ka: dị, bụ, nọ, ijọ, ma, dgz. Ngwaa Igbo ọbụla na-enwe otu ụdị mmeju maọbụ nke ọzọ. Mmeju ndị a na-enwe akparamagwa ọdịdị usoro okwu na echiche okwu e jiri mara ha na mwube dị iche iche (Nwachukwu 1983). Nkọwa a gosiri na e nwere mmekọrịta na-adị n'etiti ngwaa na mmeju ha. Ọzọkwa, e nwere ngwaa ndị na-achọ nnara, ndị achọghị nnara na ndị na-achọ nnara na nnapụta.

Ọtụtụ nkejiasụsụ Igbo bụ ndị e nwere ike ịkpọ nkejiasụsụ ukwu. N'ime nkejiasụsụ ukwu ka e si nweta ndị e nwere ike ịkpọ nkejiasụsụ nta. Ọmụmaatu:

1. Mkpọaha bụ nkejiasụsụ ukwu ebe aha, nnọchiaha, ọnụọgụgụ na njụajụjụ bụ nkejiasụsụ nta ma ọ bụ ụmụ mkpọaha. Otu a ka ọ dịkwa na Nkọwaaha, ngwaa, wee dịrị gawa.
Asụsụ Igbo bụ asụsụ ngwaa. Ihe nke a pụtara bụ na e si na ngwaa enweta ọtụtụ okwu. Ọ bụ ngwaa bụ nkejiasụsụ kachasị dị mkpa n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ya ka e ji ewube mkpụrụokwu ọhụụ n'asụsu Igbo. Asụsụ Igbo dị iche na nke bekee. N'asụsụ bekee, ọ bụ n'aha ka e si enweta ọtutụ okwu mana n'asụsụ Igbo, ọ bụ na ngwaa. Imaatụ; ri, iri, rie, ori, oriri, irichapu, riela, origo, dgz. Ọ bụ ya kpatara anyị jiri kwuo na ngwaa bụ isi sekpu ntị n'asụsụ Igbo.

Ntụleharị Agụmagụ
N'ebe a, a ga-atụleharị agụmagụ dị iche iche metụtara isiokwu nchọcha a. E kere ntụleharị agụmagụ a ụzọ atọ: nkọwa okwu ndị dị mkpa, ntụleharị atụtụ na ntụleharị ihe e derela n'isiokwu.

Nkọwa okwu ndị dị mkpa
Asụsụ Igbo so n'otu asụsụ kachasị pụta ihe n'ala Naịjirịa. Onye jiri nwayọọ lechaa uru dị n'asụsụ anya na ka asụsụ si abanye n'ihe niile mmadụ na-eme na ndụ, a gaghị enwe ihe mgbagwoju anya gbasara ihe a ga-eji nwee usoro ọmụmụ nke isi sekpụ ntị ihe ọ na-akọwa maka ya bụ asụsụ.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ na ndịda n'ọwụwa anyanwụ Naijirịa. Steeti ndị na-asụ Igbo gụnyere: Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugwu, Delta na Imo. Steeti ndị ọzọ a na-ahụta na-asụ asụsụ a gụnyekwara Rivers, Akwa Ibom, Kogi (Akpanya n'Igala nke dị n' okpuru ọchịchị gọọmenti Mela) (Ezebuilo, 2017). Asụsụ Igbo apụtaghị taa, ọ bụrụlarụ asụsụ e ji ede ihe, akụzi ihe, enye akụkọ ụwa, agbasa ozi, eme ntụghari n'ebe a na-asụ ya na ihe ndị ọzọ dị iche iche na ndụ mmadụ dị ka asụsụ mba ụwa ndị ọzọ dị ịche ịche. Agbedo (2007) hụtara asụsụ dị ka ihe jikotara ihe niile a na-eme. Asụsụ Igbo otu n'ime njirimara ndị Igbo n'ihi na asụsụ bụ ihe e ji amata onye bụ onye.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu n'ihi na ụdaolu na-ebute adịmiiche na mkpụrụokwu; na nghọta okwu ma ọ bụ n' ahịrịokwu dị ka:
2a. ísì (head) b. ọkwá (position) c. ọ gàra áhịa (did he/she go to market?)

ísì (smell) ọkwà (instruction) ọ gàra áhịa
ísì (blindness) ọkwà (ostrich) (He/she went to market)

Asụsụ Igbo bụkwazị asụsụ 'SVO' Language. Nke a pụtara na a bịa n'ahịrịokwu Igbo, ihe mbuụzọ bụ isiahịrị, ihe na-eso ya bụ ngwaa, ihe na-eso ngwaa abụrụzịa nnara. N' ebe a, asụsụ Igbo yiri asụsụ Bekee. Ọzọ, n'asụsụ Igbo, nkọwaaha na-esote mkpọaha, ma ọ bụ nnọchiaha ọ na-eso. Ebe a ka Igbo siri dị iche na Bekee. Ọmumaat:

3a. Nwoke a dị mma This man is good
b. Nwaanyị ọma bịara Good woman came

Asụsụ Igbo dị ka ọtụtụ asụsụ Afrịka ndị ọzọ bụ asụsụ ndakọrịta ụdaume. Ya bụ, e nwere usoro ụdaume ndị dị n'Igbo si agakọta. Ụdaume mfe na-agakọta, ụdaarọ na-agakọta na nwube mkpụrụokwu Igbo.

Ngwaa

Uba-Mgbe mena (2006) kọwara ngwaa dịka mkpụrụokwu na-ekwu ihe mkpọaha maọbụ echiche dị iche iche dị n'ahịrịokwu. N'ihi nke a, ahịrịokwu ọbụla ga-enwerịrị ngwaa tupu o nwezuo nghọta. Nze (2010) na nghọta nke ya, kọwara ngwaa dịka mkpụrụokwu na-ekwu ihe mkpọaha maobu nnọchiaha mere. O kwuru na ọ bụ ngwaa na-ezipụta echiche na nghọta dị n'ahịrịokwu. Ọnụoha (2000) kọwara ngwaa dịka mkpụrụokwu na-adị n'ime ahịrịokwu nke na-eme ka o nwee nghọta maọbụ echiche zuru oke. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụ ngwaa bụ ihe na-agwa mmadụ ihe e kwuru maọbụ ihe e mere n'ahịrịokwu. Ezema, Obayi, Udensi, Onuoha, na Udechukwu (2017) kọwara ngwaa dịka okwu na-ekwu maka mkpọaha. Mana cherekwa! Gịnị ka ngwaa na-ekwu maka mkpọaha n' ahịrịokwu? Ọ na-agwa anyị ihe mkpọaha mere nke na-eme ka ahịrịokwu nwee nghọta zuru oke. Ọ na-egosi echiche dị n'okwu.

Ikekeọnwụ, Ezikeojiakụ, Ubani na Ugoji (1999) kọwara ngwaa dị ka nkeji asụsụ na-egosi ihe isiahịrị na-eme, ekwu ma ọ bụ ọdịdị ya. Ha kwukwara na ngwaa na-akọwapụta mbunuuche okwuu. Na nghọta Okafor na Ewelukwa (2021:154), "ngwaa bụ otu n'ime nkejiasụsụ kachasị mkpa n'ahịrịokwu". Ọ bụ ya bụ isi sekpu ntị na nghota okwu ma ọ bụ ahịrịokwu Ọ bụrụ na ngwaa adịghị n'ahịrịokwu, ọ gaghị enwe mpụtara maọbụ izu oke na nghọta. Ngwa ana-eme ka a ghọta ihe

ahịrịokwu na-akọwa. Ahirịokwu ngwa adịghị na ya enweghị ike ịkwuru onwe ya n'udị izipụta echiche zuru oke.

Emenanjọ (2004: 78) kwuru sị na ọ bụrụ na e nweghị ngwaa n'ahịrịokwu, e nweghị ike inwe ahịrịokwu zuru oke. O kwuru na ọ bụ na ya ka e si enweta okwu ọhụrụ. Ọ gara n'ihu kọwa na ọ bụ ngwaa na-ezipụta omume maọbụ ọdịdị ihe a na-ekwu maka ya n'ahịrịokwu. Nke a pụtara na ngwaa bụ nkejiasụsụ nke na-ezipụta ọnọdụ maọbụ ihe isiahịri na-eme/mere n'ahịrịokwu.

Site na nkọwa ndị a niile, anayị ga-akọwazi ngwaa dịka nkejiasụsụ na-egosi emereme di n'ahịrịokwu. Ọ bụ ngwaa ka e ji ezipụta ihe gbasara isi ahịrị, ọnọdụ ya nakwa ọdịdị ya n'ahaịrịokwu otu n'ime ihe e jiri mara ngwaa bụ na ọ na-enwekarị mgbakwunye.

Ntulegharị Atụtụ

Chomsky (1957) wepụtara atụtụ o chere ka mma e nwere ike iji akọwa ụtọasụsụ n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ Syntactic Strcuture na Bekee. Aha ọ kpọrọ atụtụ a bụ Atụtụ Ndoko Usorookwu.

Ya bụ, e nwere ike ịkowa Atụtụ Ndoka Usorookwu dị ka atụtụ na-ewepụta akụrụngwa maka ịkọwada ma ọ bụ Igbuda ahịrịokwu ọbụla n'akụkụ iji gosipụta nkejiasụsụ na nkebiokwu mebere ya. Atụtụ a nwere ụmụ akọrọngwa nke na-enyere onye ma ọ bụ ndị na amụ ya aka n'ikewada ahịrịokwu n'ọgbara ma ọ bụ site na nkebiokwu ruo na nkeiokwu isi sekpụ ntị n'iwube Atụtụ a bụ ahịrịokwu ga-adị n'usoro ahịrịokwu. Usoro ahịrịokwu kwesiri ịdị dị ka Atụtụ si akwudo bụ:

Ahịrịokwu (AO) – NA + NN
Na NN

'Na' putara Nkebiaha ebe 'NN' pụtara nkebi ngwaa

Ihe nke a na-egosipụta bụ ahịrịokwu ọbụla ga-enweriri nkebi abụọ. Ihe mejupụtara nkebi abụọ ndị a bụ nkebiaha na nkebingwaa. Ọ bụ n'isiahịrị ka nkebiaha meju pụtara ebe ndabere bụ nke nkebingwaa mejupụtara (Uba-Mgbemena, 2009; Ezebuilo, 2021). E nwekwara nkebi nke atọ maka mgbakwụnye, bụ nke na-adị n'etiti nkebiaha na nkebingwaa. Nke a nwere ike ịbụ mgbakwụnye (Afikisi) ndịniihu na ọ bụ nsonaazụ. Ọ dị ụzọ ihe abụọ putara ihe akọrọngwa

Atụtụ Ndoko Usorookwu a bụ ndị na-enyere aka na nkọwa ahịrịokwu nke ọma. Ha gụnyere: 1) ọ na-eme ka a mata nkebi de ahịrịokwu nwere ike inwe 2.) Ọ na agwa anyị, ka ahịrịokwu ahụ siri jekọọ/jikọọ.

Dịka Lyons (1968) siri kwu, amụmamụ asụsụ malitere n'aka ndị Greek tupu ọbịbịa Kristi. N'oge ahụ, ndị amauche fịlọsọfị na Greek na-agbagha ma ọ bụ 'osinachi' ka ọ bụ gburugburu na-achi asụsụ. Atụtụ a malitere n'oge ahụ ka a kpọrọ atụtụ ọdịnaala. Atụtụ ọdịnaala gbadoro ụkwụ n'ụtọasụsụ Greek na Latin were kọwaa asụsụ na ihe asụsụ kwesịrị ịbụ.

Agbedo (2000) hụtara usorookwu dị ka alaka lingwistiks na-amụ maka mmebere ahịrịokwu dị iche iche. Usorookwu na-ewepụta ụdị iwu a na-agbaso n'imepụta ụdị ahịrịokwu dị iche iche n'asụsụ ọbụla. Ọ na-elebakwa anya na mmetụta na-adị n'etiti mkpụrụokwu dị iche iche mebere akụkụ dị iche iche n'ahịrịokwu. Ọ na-ahụkwa na a haziri akụkụ ndị a nke ọma iji hụ na e mebere ahịrịokwu dabara adaba nke nwere ezigbo nghọta na echiche. Agbedo kowamiri echiche Bloomfield (1933) gbasara mgbanwe. Ọ kọwara na mgbanwe bụ ihe a na-ahụ na mpụta mkpụrụokwu mọfọlọjị ebe nsirinweta bụ maka ime mkpụrụokwu nke na-agbadokarị ụkwụ n'isingwaa. Agbedo jiri ọmụmaatụ ụbara Bekee wee kọwaa nke ọma ihe Bloomfield dere;

4. 'Stewardesses' pụtara: stewardess + es na ọ bụghị steward + esses, wdg.

Nke a pụtara na nsirinweta na ndokọ mkpụrụokwu niile na-agacha tupu e nwee mgbakwụnye mgbanwe. O jikwara ọmụmaatụ mkpọolu na ụbara Bekee ndị a wee kọwaa ya nke ọma:

5. Billboard- Billboard + s= billboards
6. Worker-worker +s = workers.

Ọ bụghị billboard na workers. O kwuru na atụtụ ụtọasụsụ ọdịnala kọwara na mgbanwe bụ nke mkpụrụ okwu na-enwe iji gosipụta ụdị mmekọrịta na-adị n'etiti ya na mkpụrụokwu ndị ọzọ dị n'ime ahịrịokwu.

Agbedo (2000) gbakwara echiche Lyons (1968) na-anwụ gbasara mgbanwe. Lyons, dị ka Agbedo siri kwuo, kọwara na mgbanwe bụ ihe a na-enwe n'ụdị aha, nnọchiaha, maọbụ nkọwaaha iji zipụta katigori ụtọasụsụ keesi, ngụ, pesịn, na jenda; ọ na-apụtakwa ihe n'ụdị ngwaa dịgasị iche iche e nwere dị ka ọ dị n'asụsụ Latịn (a) French, Igbo na Bekee.

Mbah (2014) mekwara ka a mata na e chepụtala ọtụtụ atụtụ gbasara ụzọ kacha mma a ga-eji na-akọwa asụsụ. Ọ kọwara na atụtụ ọdịnaala bụ atụtụ izizi e mepụtara kọwara usorookwu. O sitere na nsirihụ fịlọsọfi kọwaa asụsụ Griik. Ọ gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta nkejiasụsụ dị iche iche okwu dị n' asụsụ kwụnyere na ya. O jiri ọdịdị na ọrụ mkpụrụokwu na-arụ n'ọnọdụ ya n'ọgbara okwu mee nkejiasụsụ. Nkejiasụsụ pụtara ihe n'atụtụ ọdịnala bụ aha, nnọchiaha, nkọwaaha, ngwaa, nkwuwa, mbụụzọ, njikọ na ntimkpu. Nkejiasụsụ ndị a niile atụtụ ọdinaala kewapụtara dịchasị n'ụtọastụsụ Igbo.

Ngwaa dịka o siri metụta asụsụ Igbo kwesịri ka e si n'ụzọ tọrọ atọ wee mụọ ya iji hụchapụta iwu na-achịkwa ụzọ o si arụ ọrụ ya n'asụsụ Igbo n'ihi na asụsụ ọbụla na-akpa agwa n'ihe gbasara ngwaa dịka o siri metụta ọnọdụ ya n'ahịrịokwu. Ọ dabekwara n'atụtụ ịzugbe iji chọputa ụzọ dị iche iche asụsụ Igbo si ezipụta ngwaa nke dịkwa n'ụtọasụsụ izugbe nakwa ebe ndị ọzọ o siri dịwapụga iche n'ụtọasụsụ izugbe. Ihe ndị a hụrụ gbasara ngwaa n'asụsu Igbo dị n'ime ụtọasụsụ izugbe mana nke dị iche bụ n'ụzọ asụsụ Igbo si eziputa ngwaa ya bụkwa nke adịghị n'ụtọasụsụ izugbe.

Nchọcha E Meerela n'Isiokwu

Udemmadụ na ọkpalike (2013) zipụtara mbumnobi ha nke bụ ịkọwa etu ngwaa Igbo si arụ ọrụ n'ahịrịokwu ọbụla. Ha gbasoro atụtụ usoro okwu CV were mee nchọcha ha. Ha wekọtara ngwaọrụ ha site n'ụzọ ịkparịta ńkàtá n'etiti ndị mmadụ. Nkọwa ngwaọrụ ha gbadoro ụkwụ n'usoro nke Nwachukwu (1987), nke tụchara ngwaa asụsụ Igbo. Ha ji ụzọ eserese were zipụta nke a. Ha chọpụtara site n'etu ngwaa asụsụ Igbo si dị, na e nwere ike itinye ọtụtụ usoro okwu ma na-ahazi ahịrịokwu Igbo ka o were nwee echiche zuru oke. Nchọcha Udemmadụ na Ọkpalike yitere nchọcha a n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ngwaa Igbo. Mana n'aka nke ọzọ, ha abụọ dị iche iche n'ihi na nchọcha ha na-ekwu naanị maka ọrụ ngwaa n'arụ n'ahịrịokwu na etu a ga-esi tinye ya n'ọtụtụ usoro okwu; mana nchọcha a bụ maka ọnọdụ ngwaa dịka isi sekpu ntị n'asụsụ Igbo. Ya bụ na nchọpụta ha egboghi mkpa nchọcha a nke o ji anọchite anya ọrụ nchọcha nke a e ji n'aka. Ọ bụ ya ka nchọcha a ka ji dị mkpa.

Udemmadụ na Umezi (2016) mere nchọcha na ntụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na asụsụ Latịn. Ihe ndị ha bu n'obi wee mee nchọcha a bụ iji mata ebe ngwaa asụsụ

Igbo na ngwaa asụsụ Latịn si yite onwe ha maọbụ nwee ndịiche. Ihe kpalitere mụọ ndị nchọcha a ime nchọcha n'isiokwu a bụ na otụtụ ụmụafọ Igbo na-amụ asụsụ Latịn ka asụsụ mba ofesi na-enwekarị ihe mkpọbi ụkwụ oge ha na-eme nke a, tinyere na o nwebeghị onye a tụrụ ọnụ kpọmkwem na o meela nchọcha n'isiokwu a. Atụtụ ha gbasoro were mee nhcọcha ha bụ atụtụ ntụlekọrịta asụsụ si n'aka Lado (1957). Ka ha mechara nchọcha a, ha chọpụtara na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn nwere ọtụtụ myiri na ndịiche. Myiri dị n'etiti ha bụ na: a na-esi na ngwaa asụsụ abụa enweta okwu ọhụụ ya bụ na ha na-anabata mgbakwụnye; ha na-enwe opekata mpe otu ụdaume; ha na-eso mkpọaha n'azụ n'ahịrịokwu; ha nwegbadoro isingwaa. Ndịiche di n'etiti ha bụ na: ngwaa asụsụ Latịn na-ezipụta ọnụọgụ mana ngwaa asụsụ Igbo anaghị ezipụta ọnụọgụ; ngwaa asụsụ Latịn na-adị na ngwụcha ahịrịokwu mana ngwaa asụsụ Igbo na-adịkewe n'etiti isiahịrị na nnara; mgbochiume nwere ike ijedebe ngwaa asụsụ Latịn mana ọ bụ naanị ụdaume na ejedebe ngwaa asụsụ Igbo; n'ahịrịnjụ, mgbakwụnye ngwaa Igbo na-adị n'azụ isingwaa mana mgbakwunye ngwaa Latịn na-adị n'ihu isingwaa; ngwaa Latịn na-agbaso ndakọrịta katigori ụtọasụsụ mana nke a adighị mkpa maka ngwaa Igbo. Ebe nchọcha ndị a si dị iche na nchocha nke a e ji n'aka bụ na nke ha gbadoro ụkwụ na ntụlekọrịta myiri na ndịiche dị na ngwaa asụsụ Igbo na nke asụsụ Latịn ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na naanị asụsụ Igbo. Ya bụ na nchọcha ha egbochi mkpa nchọcha a.

Anagbogu, Mbah na Emeh (2010) kọwara etu ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Bekee si enye okwu nghọta dị iche iche site n' agbaala na agbaelu okwu. Nkọwa ha nyere aka n'ụzọ pụrụ iche na nghọta asụsụ Igbo nke ọma. Ọ dị iche na nchọcha a maka na ọ gbadoro ụkwụ naanị na ngwaa asụsụ Igbo nakwa ngwaa asụsụ Bekee, ebe nchọcha a bụ maka ị kọwapụta ọrụ ngwaa na-arụ nakwa ọnọdụ ya dị ka isi sekpu ntị n'asụsụ Igbo. Ya bụ na nchọcha ha egboghi mkpa nchọcha a.

Nweze (2011) mere nchọcha gbasara ọmụ-nghọta ngwaa nke mposi n'olundị Imilike. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ụdị ngwaa dị iche iche e ji akọwa mposi n'olundi Imirlike. Ọ chọpụtara na e nwere ngwaa iri na itoolu n'olundị a e ji akọwa ngwaa mposi n'olundị ahụ mana isi sekpu ntị na ngwaa ndị a bụ '*nyụ na gbọ'*. Ọ chọpụtara na abịa na 'ịnyụ' na e nwere ngwaa na-akọwa ya dị ka: ma, mashi, kpa, kụ, pu, dgz. N'Igbo Nsụka, e nwere kpabủ (kpabu mammiri), wụshị, ịza, dgz. Nchọcha Nweze (2011) na nke a na-eme ugbu a yiri n'ihi na ha abụọ na-eleba anya

a na ngwaa ma gbasokwa otu atụtụ nke a na-akpọ atụtụ ọmụ-nghọta okwu. Nweze na-ekwu na e nwere ngwaa dị iche iche na mpụtara ha dị iche iche sonye na nghọta maọbụ echiche a na-akpọ ngalaba amụmechiche (semantic field). Ndịiche dị na nchọcha Nweze na nhcọcha nke a na-eme ugbu a bụ na Nweze mere nchọcha ya n'olundị Imiryike nke dị na okpuru ọchichi Nsụka ebe nke gbadoro ụkwụ n'Igbo izugbe.

Igbeakụ (2012) mere nchọcha na ngwaa owuwe ihe ubi n'Igbo. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ụdị ngwaa dị iche iche e ji akọwa owuwe ihe ubi n'asụsụ Igbo. Ọ chọpụtara na e nwere ngwaa atọ e ji akọwa owuwe ihe ubi n'Igbo izugbe nke gụnyere: ghọ, bụ na bete ma ngwaa ndị a bụ isi sekpu ntị na ngwaa owuwe ihe ubi n'ihi na ha nwechara ngwaa ọzọ e ji akọwa ha. Ịma atụ: ghọ ọka nwere ngwaa gụnyere gbu ọka, bee ọka, ka ọka, ji ọka, lịa ọka, dg. Myiri dị na nchọcha ndị a bụ na ha jikwa atụtụ ọmụ-nghọta okwu wee mee nchọcha ha. Myiri ọzọ bụ na ha abụọ gbadoro ụkwụ n'igbo izugbe. Ndịiche ha bụ na Igbeakụ (2012) ji ngwaa owuwe ihe ubi mee nchọcha ya ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ n'ọrụ na n'ọnọdụ ngwaa n'asụsụ Igbo.

N'otu aka ahụ, Ezugwu (2011) mere nchọcha ya na mkpụrụokwu ngwaa ọzụzụ ahịa n'olundị Nsụka. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ngwaa dị iche metụtara ọzụzụ ahịa n'olundị Nsụka. Ọchọpụtara na e nwere isi sekpu ntị ngwaa abụọ n'ọzụzụ ahịa n'Igbo izugbe dị ka ọkọlọtọ ngwaa. Ngwaa abụọ ndị a bụ '*ịzụta' na 'igote*' ma e nwere ngwaa ọzọ dị ka '*ịmata' na 'ibete'*. Ọ chọpụtara na n'olundị Nsụka, e nwere ngwaa karịrị nke Igbo izugbe dị ka: ịkpọta, ikwute, ịwụta,, ilute, ịkpata, ịchịta, igɵta, ikete/iketa, ịghọta, ịgbata, ikwete dg. Ngwaa ndị a nwegasịrị nghọta ha na-enye n'ọnọdụ dị iche iche n'ọzụzụ ahịa. Nchọcha Ezugwu (2011) na nke a na-eme ugbu a yiri n'ihi na ngwaa abụọ ndị nchọcha a na-elebe anya na ha gbasoro otu atụtụ ma nwekwe ọtụtụ ngwaa na-enye nghọta dị iche iche na ha. Otu o sịla dị, Ezugwu (2011) na-ekwu maka ngwaa ọzụzụ ahịa ebe nchọcha nke a na-ekwu maka ọrụ dị iche iche ngwaa na-arụ n'asụsụ Igbo. Ya bụ na ọrụ nchọcha Ezugwu (2011) egbochighi ọrụ nchọcha nke a e ji n'aka.

Onah (2010) mere nchọcha ya na ngwaa ọkụkụ ihe ubi n'olundị ovoko ịchọputa ngwaa dị iche iche metụtara ọkụkụ ihe ubi. Ndiribe (2008) mekwara ụdị nchọcha ya n'olundị Ihiala ịchọpụta ngwaa dị iche iche metụtara ọkụkụ ihe ubi. Nchọpụta

ha gosiri na e nwere ọtụtụ ngwaa n'ọkọlọtọ ngwaa ọkụkụ ihe ubi. Nchọcha ha yiri nke a a na-eme ugbu a n'ihi na ha niile gbasoro atụtụ ọmụ-nghọta okwu. Ndịmiche ha bụ na Onah na Ndiribe na-ekwu make ọkụkụ ihe ubi ebe nchọcha nke a na-ekwu mka ọrụ na ọnọdụ ngwaa n'asụsụ Igbo.

Usoro Nchọcha

Ndị mere nchọcha a bụ ndị Igbo na-enweghị asụsụ ọzọ ha maara nke ọma ma ewezuga Igbo. Ya mere, ha sitere n' amamihe ha nwere n'asụsụ Igbo wee wepụta njiatụle ha tụchara n'ọrụ a. Ngwaa ndị e lebaara anya n'edemede a gbadoro ụkwu n'igbo izugbe. Igbo ịzugbe bụ ụdị Igbo jikọrọ ndị Igbo niile ọnụ nke pụtara na onye Igbo ọbụla ga-enwe ike ịghọta ya n'agbanyeghi ọnụmara na akụkụ ebe onye siri pụta.

Ntụcha Data

Na nkeji a, e wepụtara ma tụchaa ọnọdụ ngwaa na ọrụ ọ na-arụ n'asụsụ Igbo. A gbasoro usoro dị iche iche wee kejie data ma ọ bụ njiatụle e jiri rụọ ọrụ. Usoro ndị a gụnyere ihe ndị a: Naanị ngwaa dị na-ahịrịokwu ndị e ji maa atụ ka a ga-etinyere akara ụdaolu.

A ga-agbaso usoro Green na Igwe (1963) nke na-akanye naanị akara ụdaala / \ / na nke ụdansụda /-/.

Ngwaa ndị na-Ezipụta ọdịdị/ọnọdụ isiahịrị

Mkpụrụokwu ndị a hụwara ama n'ahịrịokwu ọmụmaatụ nke (6-10) na-eziputa ọdidị maọbụ ọnọdụ mmee n'ahịrịokwu ndị ha nọ n'ime ha. Ngwaa ndị a nwere mmeju nke bụ na nghọta ha agaghị ezu oke ma ọ bụrụ na mkpụrụokwu ndị ahụ so ha n'azụ (njọ, ngwụrọ, ibu, nka, na okpokoro isi) adịghị ya. Ọmụmaatụ

6. Ngozi jọrọ njọ.	Ngozi is ugly'
7. Okoro dàrà ngwụrọ	'okoro is crippled' '
8. Nwunye ya bukwara e ibu	'His wife is fat'
9. O kàrà nka	'He/she is old'
10. Nwata ahụ bủ okpokoor isi	'That child has a big head'

Ngwaa ndị na-akọwa isiahịrị ma na-ezipụtakwa ihe isiahịrị na-eme n'ahịrịokwu

E nwere ụdị ngwaa ndị na-ezipụta ihe isiahịrị na-eme/mere n'ahịrịokwu. Chetakwa na ngwaa na-akọwa maka emereme dị n' ahịrịokwu ọbụla. Lee anya n'ahịrịokwu ndi a.

11. Ọtaka tàrà ose oji 'Ọtaka chewed kolanut source'
12. Nzube gàrà oriri agbamakwụkwọ. 'Nzube went to wedding feast'
13. Amadị ṅuféré mmanya oke. 'Amadị was drunk'
14. Odo nà-adàgharị n'etiti okporo ụzọ 'Odo is rolling him in the meddle of the road
15. Ụgbọala kụtụrụ ya. 'He/She was knocked down by a vehicl'

I lee anya na ngwaa dị n'ihe ọmụmaatụ (11-14), a ga ahcọpụta na ọ bụ naanị aha na-eku ume [+animate] ga-emenwu ihe ndị ahụ. Mana abịa na (15), ihe na-adịghị eku ume [-animate] dị ka 'ụgbụala' nwekwara ike ikụtu ihe (mmadụ, osisi, tebulu, ụlọ, wdg)

Nkenụụdi Ngwaa /Nkewasi Ngwaa N'ụdidi Ya

A tụlee akparamaagwa ngwaa, a ga-chọpụta na ọ nwere ụzọ dị iche iche a ga-esi nyochaa ya bụ nkejiasụsụ. A gbado ụkwụ na nkejiokwu ndị mejupụtara ya, a ga-ekepụta ụdị ngwaa ndị a:

i. Ngwaa mfe:

Nke a bụ ụdị ngwaa na-enwe naanị otu nkeji okwu. Ha bụ isingwaa mfe n'ihi na ọ bụ naanị otu mkpụrụ mgbochiume na otu mkpụrụ ụdaume mebere ya. E nweghị irighiri okwu (mọfịm) ọzọ a na-agbakwụnyere ha. Ha na-enwe otu echiche.

Tebulu 1: Ọmụmaatụ ngwaa mfe

Mgbochiume	Ụdaume	Isingwaa mfe
b	a	ba
m	a	ma
gb	e	gbe
j	i	je
ch	i	chị

j	i	dị
kw	ọ	kwọ
kp	ụ	kwọ
b	u	bủ

Ọmụmatụ:
16. Àdaòbì mà uchè nna ya.
17. Nwakàego jì aka odo
18. Ọ bu ibu arọ
19. Ọ chi akwụkwọ n'aka

ii. Ngwaa ukwu:
Ndị a bụ ngwaa ndị na-enwekarị nkejiokwu abụọ (nke ọ bụ isingwaa na nsonaazụ mebere ya). A na-ejikọta mgbochiume abụọ na ụdaume abụọ ọnụ, ha wee bụrụ isingwaa.

Tebulu 2: Ọmụmaatụ ngwaa ukwu

Isingwaa	**Nsonaazụ**	**Isingwaa Ukwu**
gbu	rủ	gbủrủ
re	rè	rèrè
ke	rè	kèrè
si	rì	sìrì
ga	rà	gàrà
kpụ	rụ	kpụrụ
kwe	rè	kwèrè
de	rè	dèrè
to	rò	tòrò
Ma	màrà	màrà

N' ọdịdị kechi ha, isingwaa ndị a dị na Tebulu 2 nwere ụdaelu ebe mgbakwunye nsonaazụ agbakwụnyere ha nwere ụdaala. Ụdaala a dị na mgbakwụnye ahụ mezịrị na ngwaa embere site n'ijikọ ha abụọ ọnụ nwere ụdaala abụọ a hụrụ ebe ahụ. E ji ngwaa ukwu ndị a mepụta ahịrịokwu ọmụmaatụ (20-29) iji gosipụta mpụta ihe ha n'ụtọsasụsụ.
20. Obi *gbủrủ* agụ

21. Adaeze *gàrà* ahịa.
22. O *kèrè* anụ ahụ ụzọ àto.
23. Ànyị *sìrì* òsìkapa ụbọchị isịta
24. Ogè *kèrè* ndị enyì ya mmanya.
25. Ijèanụlị *rèrè* nke ọzọ ere
26. Ndụbụisi *kpụrụ* ìtè
27. Chiàgọzie *dèrè* ůle nkè ọma
28. Nwoke ahụ *tòrò* ogo
29. Obìnnà *màrà* mma nwoke

iii. Ngwaa Mgbagwo:
Ngwaa mgbagwo na-enwe nkejiokwu karịrị abụọ. Nkejiokwu mebere ụdị a nwere ike ịdị atọ, anọ, ise maọbụ karịa. Ọ bụ isingwaa abụọ maọbụ karịa nwere ike ịkwụrụ onwe ha na-emebe ya.
Lee ihe ọmụma atụ ndị a na-esote:
30. Àdaobi *gàbàrà* ahịa.
31. Ọ *zụtàrà* ọtụtụ ihe
32. Nnennà *rijůrů* afọ
33. Ọ *nàtàrà* ihe ònyìnyé
34. O *burula* ya pụọ

Tebulu 3: Usoro mmepụta ngwaa mgbagwo

Isingwaa	**Isingwaa**	**Nsonaazụ**	**Ngwaa mgbagwo**
ga +	wa +	Ra =	Gàwàrà
Zụ +	Ta +	Ra =	Zụtàrà
Ri +	Ju +	Ru =	rìjůrů
Na +	Ta +	Ra =	Nàtàrà

Ọ bụghị naani isi ngwaa abụọ agbakwụnyere rv mọfịm ka esi na ya emepụta ngwaa mgbagwo. E nwekwara ike iji isingwaa + rv + mọfịm ndịmechaa dị ka ọ dị n'ọmụmaatụ (34).

Nchịkota/ Mmechị
Nchọcha a agbaala mbọ nyochaa ọnọdụ ngwaa n'asụsụ Igbo. Nchọcha a zipụtara na enwere Ngwaa ndị na-ezipụta ọdịdị/ọnọdụ isiahịrị, Ngwaa ndị na-ezipụta ihe isiahịrị na-eme/mere n'ahịrịokwu. Nchocha a gospụtakwara na e nwere ngwaa

mfe, Ngwaa ukwu na Ngwaa mgbagwo. Dị ka ọdịdị ngwaa si dị, e nwere isingwaa, ya bụ, ebe e si emepụta ngwaa ndị ọzọ. Ọ bụ ya bụ ntọala ngwaa ma bụrụ isi sekpu ntị na ngwaa. E nwekwara mmekangwaa, nnyemaakangwaa na nsinagwaa. Nsinagwaa nwekwara ngalaba nke ya dịka mfinitvu, jeọndụ, ahaomee na ahammee. A chọpụtara na ngwaa na-anabata mgbakwunye nganiihu na nsonaazụ. Ngwaa nwere ike ị kwụrụ onwe ya ma nwee nghọta zuru oke. Nchọcha chọpụtakwara na mmebe okwu ọhụrụ ọbụla n'asusụ Igbo na-esiriri na ngwaa. Ihe ọzọ a chọpụtara bụ na asụsu Igbo bụ asụsụ ngwaa n'ihi na ọ bụ site na ngwaa ka e si enweta ọtụtụ okwu ọhụrụ ma ọ bụ nkejiasụsụ ndị ọzọ mana e nweghị ike isi na nkejiasụsụ ọzọ nweta ngwaa. Ọ bụ ngwaa bụ nkejiasụsụ kachasi dị mkpa n'asụsụ Igbo.

Asụsụ ọbụla nwere ụzọ dị iche iche e si ahazi mkpụrụokwu na ahịrịokwu dị na ya iji zipụta echiche na nghọta zuru oke. Ngwaa bụ otu n'ime katigori nghọta na-adị n'ime ahịrịokwu n'asụsụ dị iche iche. N' asụsụ Igbo, e nwere ngwaa. Ngwaa dị n'ime nkejiasụsụ dị iche ịche n'asụsụ Igbo. Asụsụ ọbụla dị n'ụwa nwere ụzọ dị iche iche ha si ezipụta ngwaa ha, asụsụ Igbo adighị iche.

Edensibịa

Agbedo, C. U. (2000). *General Linguistics: An introduction reader*. Nsukka: ACE Resources.

Chomseky, N. (1957). *Syntactic Structures*. Hague: Mouton

Emenanjọ, E.N. (2004). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo Izugbe.* Ibadan: Longman.

Emenanjọ, N. (1987). *Elements of modern Igbo Grammar*. Ibadan: University Press.

Ezebuilo, C.N. (2021). Lexicalisation in Igbo Syntax. Ph.D Thesis Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ezema, C.A., Obayi, J.I., Udensi, P.E., Onuoha, J.A., na Udechukwu, C.M., (2017). Mbido Ọmụmụ Asụsụ Igbo n'ụlọ Akwụkwọ dịelu. Enugu: Computer Edge Publishers.

Ezugwu, F.N. (2011). Lexical relations of verbs of buying in Nsukka dialect of Igbo language. Ngụpụtara semina maka inweta nzere M.A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naijrịa, Nsụka.

Igbeakụ, B.C. (2012). A sense relational study of verb of harvesting in Igbo Ngụpụta nchọcha semina maka nzere Ph.D, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Ikekeonwu, C.I. (1985). A lexico phonotactic study of northern Igbo dialects. Ph.D Thesis, University of Nigeria Nsukka.

Lyons, J. (1968). Theoretical Linguistics. Cambridge: Cambridge University Press.

Mbah, B. & Mbah, E. (2014). Atụtụ amumamụ asụsụ Igbo. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ndiribe, M.O. (2008). Lexical semantics of planting in Ihiala-dialect of the Igbo language. Ngụpụta semina maka inweta nzere M.A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Nke Naijirịa Nsụka.

Nwachukwu, P.A. (1983). Transitivity, Na P.A. Nwachukwu (ọhz). Reading on the Igbo verb (ihu 102-122). Onitsha: Africana-FEP.

Nwachukwu, P.A. (1987). The argument structure of Igbo verb. Cambridge: MIT.

Nweze, I.M. (2011). Lexical semantics of verbs of excretion in Imilike dialect of Igbo. Ngụpụta semina maka nzere Ph.D, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ, Mahadum nke Naijirịa, Nsụka.

Nze, A.I. (2010), Nchịkọta Akwukwọ maka Ule Siniọ Sekọndịrị. NnewiL: Mis-Fav Publishers.

Ofomata, C.E. (2004). Ndezu ụtọasụsụ igbo nke Ndị Siniọ Sekọndịrị. Enugu: Format Publishers Ltd.

Okafor, C.U. & Ewelukwa, U. (2008). Nhazi Asụsụ Igbo Make Ule Sịniọ Sekọndịrị na Koleeji. Anambra: Global Publishing Co.